# ỌGBỤGBANDỤ ỌHỤỤ AHỤ

## Jeremaia 32:37-42; Ndi Rom 4:9-16; Ndi Hibru 8:6-13

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 159

### Nke NdỊetiti na Nke NdỊokenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ bu kwa n'ihi nka ka Ọ bu onye-ogbugbo nke ọgbugba-ndu ọhu, ka ọ gābu, ebe otù Onye nwuru igbaputa madu n'aka njehie nile nke di n'okpuru ọgbugba-ndu mbu ahu, ka ndi akpọworo we nata nkwà nke nketa ebigh-ebi ahu" (Ndi Hibru 9:15).**

**"Ma otú ọ di, O ruwo n'ifè òfùfè nke ka nma, n'uzọ ra otú Ọ bu onye-ogbugbo nke ọgbugba-ndu ka nma bú ọgbugba-ndu nke enyeworo n'iwu n'elu nkwà ufọdu ka nma**

**"N'ihi na asi na ọgbugba-ndu mbu ahu adigh ita uta, agagh-achọwori ebe nye ọgbugba-ndu nke abua.**

**"N'ihi na mgbe Ọ nāta ha uta, Ọ si le, ubọchi nābia, ka Onye-nwe-ayi kwuru, mgbe Mu na ulo Israel na ulo Juda gāgba ọgbugba-ndu ọhu;**

**"Ọ bugh dika ọgbugba-ndu ahu si di nke Mu na ndi bu nna-ha gbara n'ubọchi M'jidere ha n'aka isi n'ala Ijipt duputa ha; n'ihi na ha onwe-ha anọgidegh n'ọgbugba-ndum, Mu onwem lefu-kwa-ra ha anya, ka Onye-nwe-ayi kwuru.**

**"N'ihi na nka bu ọgbugba-ndu nke Mu na ulo Israel gāgba mgbe ubọchi nile ahu gasiri, ka Onye-nwe-ayi kwuru M'gētiye iwum n'uche-ha, Ọ bu kwa n'obi-ha ka M'gēdekwasi ha dika n'akwukwọ: M'gābu-kwa-ra ha Chineke, ha onwe-ha gābu-kwa-ram otù ndi;**

**"Ha agagh-ezirita onwe-ha ma-ọli, onye ọ bula o nēzi onye obodo-ya, onye ọ bula o nēzi kwa nwa-nne-ya, si, mara Onye-nwe-ayi: n'ihi na ha nile gāmatam, site n'onye dikarisiri ntà rue onye dikarisiri uku nime ha.**

**"N'ihi na M'gēmere ajọ omume nile ha ebere, M'gagh-echeta kwa nmehie nile ha ọzọ ma-ọli.**

**"Mgbe Ọ nāsi, Ọgbugba-ndu ọhu, O mewo nke mbu ka ọ buru ihe ochie, Ma ihe nēme ochie, nke nāka kwa nká, di ipu-n'anya nso" (Ndi Hibru 8:6-13).**

### Àtụ̀màtụ̀ Zuruòkè nke Chineke

Mgbe ekpughere anyị Àtụ̀màtụ̀ nke Mgbapụta na nzọụkwụ na nzọụkwụ, ọ naabụ ihe dị óké ebube. Nime nzọụkwụ ndịa niile nke mmeso ahụ Chineke naemeso mmadụ niile bi n'ụwa, ka ha wee nwee ike ịmazu ya dịka Chineke na Nna ha, na egosi ebere na ịhụn'anya nke náání Chineke ahụ Onye naenweghị ọgwụgwụ pụrụ inwe. Ọ bụ ihe siriike ọtụtụ ugbò nye Ndị Israel, nkekanke n'oge ikpeazụ́ nke akụkọ ha dịka mba, ịghọta na Chineke ha, Onyenweanyị Jehova, bụ Chineke nke mmadụ niile -- na ọ bụghị Onye naele mmadụ anya n'iru (Ọlu Ndi-ozi 10:34). Ọtụtụ nime Ndị Farisi ahụ, na kwa ụfọdụ ndị chègharịrị wee ghọọ NdịKraist n'oge Ndịozi, nwere nkwenye siri ike na nzọpụta bụ nke náání Ndị Ju. Ha lekwasịrị Ndị Mbaọzọ anya dịka ndị naamaghị Chineke, ndị naenweghị olileanya n'ụwa nke gaje ịbịa.

Na mbụ, mgbe mmadụ dara, Chineke kwere mkwà Onye Mgbapụta. Ná mkwà a bụ ihe nke dịrị mmadụ niile ka anaahụ nkeọma. Ndị Ju gụrụ na ha malitere site ná Abraham, naakpọ kwa onweha ụmụ nke Abraham (Jọn 8:39; Ọlu Ndi-ozi 4:12; 9:7); ya mere, mkwà niile ahụ banyere Onyennapụta na Onyemgbapụta bụ nke buworo ndị ahụ enyere Abraham ụzọ, aghaghị ịbụ, ihe nke dịrị mmadụ niile, naenweghị obiabụọ. Otú ọ dị, anyị achọghị isite n'okwu a sị na mkwà niile ahụ ekwere Abraham, maọbụ ndị ahụ enyere nke malitere n'oge Abraham, naadịrị náání Ndị Ju. Iheọ̀mụ̀mụ̀ nke anyị mụworọị metụtara Ọgbụgbandụ niile ahụ nke Chineke na Abraham na Ndị Israel niile gbara naeme ka eziokwu nke dị n'okwu ahụ pụta ìhè nke ọma. "Agāgọzi kwa agburu nile nke uwa nime gi," bụrị ọgbụgbandụ mkwà ahụ nke enyere Abraham (Jenesis 12:3).

Egburu Kraist site na ntọala nke ụwa (I Pita 1:20; Nkpughe 13:8) ka mmadụ niile wee nwee ike ịbịakute Ya. Anyị ahụwo na ọ dịghị nkwụsị dị ná nrọpụta nke Àjà ahụ zuruòkè Ọ chụrụ, ebe ọ bụ n'ihi Ya na n'ihi àjà ahụ nke Ọ chụrụ dịka Mkpụrụ nke Abraham, ka anaagọzi "agburu nile nke uwa" (Jenesis 12;3). Anyị ahụwo na nka jikọtara ma ndị ahụ nke biri ndụ tupu Abraham, na kwa ndị ahụ nke naeso ya n'azụ̀. O jikọtara Ndị Ju na Ndị Mbaọzọ, orù na onye nwere onweya, ọgaranya na ogbenye; nye Onye ahụ nke ọ bụ nime Ya ka "ozùzù nile nke ihe Chineke bu nēbigide nēwere aru madu" bú "ihe nile, di kwa nime madu nile" (Ndi Kọlọsi 2:9; 3:11). Site

n'ibu eziokwu ndịa n'uche, anyị naenwe ike, mgbe ahụ ịbànye n'omimi nime Àtụ̀màtụ̀ ahụ dị ukwuu nke Chineke ịhụ na ịtụgharị uche n'ihe ahụ zuruòkè nime nkwadobe nke mgbapụta ahụ nye mmadụ niile.

**Nzọụkwụ Niile nke Naeduru N'Ọgbụgbandụ Ọhụụ ahụ**

Ọgbụgbandụ ọhụụ ahụ bụ iheomimi dị ukwuu nye mmadụ ụfọdụ. Ma o kwesịghị ịbụ ihe anaapụghị ịghọta. Ụzọ niile nke Chineke pụtara ìhè n'ihe niile dị mkpà nye nzọpụta nke anyị (Aisaia 35:8). N'oge ụfọdụ Chineke naeme ka anyị nwe nlebaanya rue n'iheomimi ụfọdụ nke mkpughe nke dị nime Okwu Ya nke naeme ka anyị nwe mgbagwojuanya, ọ bụ eziokwu; ma otú ọ dị, eziokwu naadaberesi ike n'okwu ahụ nke dị mfe "onye nke kwere" nke bụ́ òkù nke Oziọma ahụ. Ntụgharị uche ntakịrị nime Àtụ̀màtụ̀ nke Chineke pụrụ inye aka mee ka obi ha dị ọcha bụ́ ndị obi ha gbarụrụ agbarụ nime okwu a.

Amamihe Chineke nke naenweghị nsọtụ -- iburuụzọ mata ihe gaje ime nke Ya -- kpughere ịdị mkpà nke Onyemgbapụta tutu ekee ụwa. O nyere mmadụ uche nrọrọ nke onweya -- ike ịrọrọ ihe ọma maọbụ ihe ọjọọ -- ọ dịghị kwa ihe pụrụ igbochi ọlụ nke nrọrọ ahụ n'ebe mmadụ nọ. Ọbụná Chineke n'Onweya apụghị ịgbanwe ya. Ọ dị mmadụ n'aka ikpebi ihe banyere nka. Ọnwụnwa bịara; mmadụ dabara nime ya wee mehie, wee site kwa n'ụzọ dị otú a dubaa agbụrụ nke ụwa niile nime mmehie. Ekwere mkwà nke Onyemgbapụta ahụ ngwangwa mkpà nke Onyemgbapụta bụ ihe emere ka ọ pụtara mmadụ ahụ ìhè (Jenesis 3:15). Apụghị ikweworị mkwà ahụ tupu oge ahụ erue. Nime obi nke mmadụ, ihe gaeme ka Onyemgbapụta dị mkpà adịghị mgbe mmehie naadịghị ọbụbụọnụ adịghị, ọnwụ adịghị kwa. Site n'oge ahụ emere ka àtụ̀màtụ̀ ahụ bụrụ ihe anaemezu na nzọụkwụ na nzọụkwụ.

Mmadụ ụfọdụ soro Chineke jekọọ ijè, ihe ha tọkwara Ya ụtọ nime ọtụtụ ụbọchị oge gboo ahụ niile nke ụwa mgbe Ọdịda ahụ gasịrị bụ́ nke kpatara ikwe mkwà maka Onyenzọpụta (Jenesis 5:21-24; Ndi Hibru 11:5, 6). Emere mmadụ ụfọdụ ka ha zueòkè n'ụbọchị ndị garaaga tutu amalite òfùfè nke Ụlọikwu (Jenesis 6:9). Chineke na ndị ụfọdụ kwurịtara okwu (Jenesis 7:13-21; 9:8-17). Apụrụ ịhụ kwa, na Ya na ha gbara ndụ wee mee kwa ka uche Ya na eziikpé Ya pụta ìhè. Ma, n'ikwu dịka èchìchè nke mmadụ sị dị, Ọ pụghị ikpéikpe wee mee otú a n'eziomume, ma ọ bụrụ na O bughị ụzọ nye ha iwu maọbụ ụkpụrụ, nke nnupụisi nime ya gaeweta ikpé. Ndị mmadụ bụkwararị ndị eziomume n'ụbọchị ndị ahụ (Ndi Hibru 11:4). Otù nwoke kwa, bụ́ onye agọziri agọzi ka akpọrọ "Eyi nke Chineke" (James 2:23).

Ndịa na ọtụtụ ihe ndịọzọ mereeme naegosipụta nkeọma na agụrụ ha ná ndị eziomume doo kwa ha nsọ n'ụbọchị ndị ahụ. N'ezie, akụkọ nke ihe edepụtara banyere ndụ ha bụ ihe echèbere nke ọma nye anyị ịbụ ihe ilereanya nke inwe nsọpụrụ Chineke nke emere ka ọ dị mfé site n'okwukwe nime Chineke Onye nwe Okwu ahụ na okwukwe nime okwu nke Chineke ha.

N'ọgbọ ahụ enwere ọtụtụ ụbọchị mgbe "ọ digh ọhu ekwusara" (I Samuel 3:1). Ọ dịrị ọtụtụ mgbe ọnọdụ imemmụọ nke ndị ahụ elere anya ịmata Chineke naadị ala nke ukwuu (I Ndi-Eze 19:10). Ọtụtụ oge dịka mgbe ajọomume na mmehie jubigara òkè dịka oge ọgwugwụ nke ihe niile (Jenesis 6:5-7; Matiu 24:37, 38). Ma enwere ndị ahụ -- "igwe-aturu ntà ahu" -- ndị chọtara amara n'iru Chineke (Jenesis 6:8), ma ọ dị kwa, naagbanyeghị ihe ndọghachị àzụ́ ndịa niile, ịga n'iru nwayọnwayọ nime mkpughe Chineke nye ụmụmmadụ banyere uche Nsọ Ya na Okwu Ya.

Anyị ahụwo na Chineke hụrụ nime Abraham nwoke nke O nwere ike ịtụkwasịobi. O lere nwoke ahụ ule siri ike ọtụtụ ugbò wee dọrọ ya rue n'omimi nke ijiobichụọàjà, ịchọpụta na igosipụta óké ịhụn'anya na ntụkwasịọbi na nke mmadụ bụ anụarụ pụrụ inwe n'ebe Chineke ya nọ (Jenesis 22:12; Ndi Hibru 11:8-10, 17-19). Ọ bụ n'etiti Chineke Onweya na onye nke Chineke a ka agbara Ọgbụgbandụ ahụ dị ebube, nke anyị mụrụ ihe banyere ná mmalite nke akwụkwọ a. Anyị ahụwo kwarị na nime Ọgbụgbandụ ahụ nke Abraham na Chineke gbara enwere mkwà dị ukwuu nke dịrị agbụrụ niile nke ụwa. Anyị ndị bi n'oge ikpéàzụ́ ndịa pụrụ ịhụ, n'ọ̀tụ̀tụ̀ ihe nke dị nime ya anyị pụkwara inyoba anya, rue akụkụ ụfọdụ nke nrọpụta ya niile.

Nzọụkwụ ọzọ bụ Ọgbụgbandụ ahụ nke Chineke na Ndị Israel gbara. Ọ bụ ọchịchọ nke Chineke na ndị Israel gaabụ "ala-eze ndi-nchu-àjà, na mba di nsọ" (Ọpupu 19:6), na ha gaabụ kwa "ihe nke aka-Ya" (Ọpupu 19:5), na kwa ngwáọlụ na ụzọ nke agaesi gbasa Àtụ̀màtụ̀ nke Ọgbụgbandụ Ya nye mmadụ mezue kwa ya n'ihi ha (Ọlu Ndi-ozi 7:38; Ndi Rom 3:2). Ha gaabụ kwa mba edoro nsọ, ndị naanọchịta anya nke Chineke nye ụwa nke mmehie. Ha gaabụworị ndị nke agaesi kpugheere ụwa niile Okwu nke Chineke. Ma site n'ọbịbịa nke Onyenzọpụta ahụ site na èzínaụlọ nke otù onye nime ha, agaeme ka emezue mkwà ahụ niile nke Chineke kwere ha.

Ma lee otú o si dị nwuta na ha dara n'ọkpụkpọòkù nke Chineke! Mgbe ha ka kpụ okwu ahụ n'ọnụ sị, "Okwu nile JEHOVA kwuru, ayi gēme ha," site n'ọnụ ha rue mgbe ha hụrụ ngosipụta nke ebube Chineke; ha wee tie mkpu, "Ma Chineke akpayerela ayi ukà" wee laghachị àzụ́ site n'ọnọdụ ha na n'ebe ahụ nke Chineke kpọrọ harị.

Ọ dịbeghị anya ha ji ọnụ ha kwere n'Ọgbụgbandụ ahụ nke ha na Chineke gbara, mgbe ha rọọrọ nwa ehi ahụ awụrụ awụ nke ha ji aka ha mee kama ịrọrọ Jehova bụ́ Chineke ha (Ọpupu 24:3-7; 32:1, 4).

Chineke enyewo Okwu Ya -- Ọgbụgbandụ Ya na Abraham -- were kwa ịñụiyi mee ka o guzosie ike. Ọ gaemezukwarị Ọgbụgbandụ ahụ ọbụná maasị na O bibiri obodo ahụ nime ọzara wee welite kwa obodo ọzọ site na mkpụrụ nke nwoke ahụ naekpere Chineke, bụ́ Moses. Ọ pụrụ ime nka naemebighị okwu nke Ọgbụgbandụ ahụ Ya na Abraham gbara (Ọpupu 32:10). Onyenzọpụta ahụ aghaghị ịbịa. Onyemgbapụta aghaghị ịkwụ ụgwọ ahụ kwesịrị n'ihi nzọpụta nke mmadụ. Chineke enyewo Okwu Ya, Onyenzọpụta gaabịa kwa naagbanyeghị ndọghachị àzụ́ niile ahụ nke ndị ahụ arọputaworo. Ọ bụrụ na ha onweha, dịka mba, gaadà, ha gaetufu ihe nketa nke ndụ ebighịebi ha na kwa ụgwọọlụ ebighịebi ha, ọ bụ ezie na n'akụkọ niile nke ndụ ha ìhè nke Chineke ganaenwukwara ha n'ihi mmadụ olenaole ndị kwesịrị ntụkwasịobi ndị naemezu akụkụ ha n'Ọgbụgbandụ nke mkwà ahụ.

N'etiti ọtụtụ nde mmadụ nke Ụmụ Israel ndị agaje ịmụ agaenwe ọtụtụ puku ndị naagaghị egbu ikpere nye Beal maọbụ sutu ihe oyiyi ya ọnụ. Ọ gaadị kwa ndikom kwesịrị ntụkwasịobi nke Chineke ndị gaeguzogide eze nwayị ahụ naadịghị asọpụrụ Chineke wee zoo kwa ndị amụma nke Chineke, ka ewee napụta ndụ nke ndikom ahụ naasọpụrụ Chineke. Agaenwe kwa ndị dị ka Joshua onye kwesịrị ntụkwasịobi na ndị dịka Keleb onye nwere agbamume ndị gaeweghachị "akukọ-ọma" mgbe ndịọzọ naeleli Chineke anya wee nupuru iwu Ya isi. Ọ gaadị kwa otù nwaokoro onye, n'ụbọchị ahụ mgbe "ọ digh ọhu ekwusara," nke pụrụ ịnụ olu nke Chineke ma mesịa ghọọ onyendú dị ukwuu nke ihe imemmụọ nye Ndị Israel n'oge ọgbaaghara. Ọ gaadị kwa ndịọzọ eweliri ịnọ n'ọkwá dị elu nke ọchịchị na ike, ndị gaemebi òfùfè arụsị ahụ ewebatara wee wezuga kwa mmehie niile nke obodo ahụ, ndị gaeweghachị okpukpé nke Jehova n'ezi ọnọdụ ya na ụkpụrụ ya. Aghaghị imezu Ọgbụgbandụ niile nke Chineke! Eluigwe na ụwa gaagabiga tupu otù mkpụrụ okwu maọbụ nke ntà nime ha agabiga!

## Ọgbụgbandụ Ọhụụ Ahụ

Dịka Mba, Israel laghachịrị àzụ́. Edeghị kwa Iwu nke Chineke nime obi ha na Sainai dịka mba otú agaara emewo yarịị. Ụfọdụ mmadụ amatawo ngọzi ahụ ma dịka mba ha dara wee laghachị àzụ́ site n'isoro Ya "ha abịaghị inyere Jehova aka." Anyị gaahụ n'usoro nke iheọ̀mụ̀mụ̀ a ihemmụta dị ilu o wetawooro ha, naekwughị ihe ọ bụla banyere ọtụtụ ihe nke chere ha n'iru. Ndaghachịàzụ́ niile ha na nnupuisi lụpụtara ha mgbasasị na ụlọ nke na ọ dịghị mbaọzọ n'ụwa nke gabigaworo ya. Ha hụrụ ahụhụ nke dị ukwuu na óké ihe mgbu nke anụarụ karịa otú apụrụ ịkọwa site ná mkpagbu ha nke naadịghị agwụagwụ site na mgbe ahụ ha jụrụ Onye ahụ nke bịara imezu mkwà nke Chineke n'isi ha na n'isi ụwa niile.

Chineke echefughị Ọgbụgbandụ Ya na Abraham, Aisak na Jekob. O chefughị kwa na Israel bụ ndị nke Ya, site n'ọkpụkpọ. Ha naagụ Ya dịka nwa si agụ nna ya agụụ (Jenesis 31:9). Ọ naeji ụdọ nke ịhụn'anya naadọ ha. Ọ naarịọ ha arịrịọ, dịka Nna naenweghị àtụ̀ pụrụ iji rịọ nwa ya naakpafu akpafu. Ma Ọ naadọ kwa ha akanántị, site n'ebere Ya n'ebe ha nọ, n'ihi na Ọ naecheta Ọgbụgbandụ Ya na ndị bụ́ nna ha gbara, naagba mbọ̀ site n'ụzọ niile dị otú a ime ka ha laghachịkute Ya.

Ọzọ n'ebe a ka amamihe ahụ nke naenweghị àtụ̀ -- amamihe maọbụ ibu ụzọ nwee ọmụma ihe dị n'iru -- nke Chineke naekpughe Onweya. Nime akwụkwọ dị icheiche nke amụma, Ọ gwara anyị okwu na n'ihi ahụhụ a na mkpagbu a, otù ụzọ nke mba ahụ n'oge ikpeàzụ́, gaelekwasị Ya anya bụ́ Onye ahụ ha mapuworo wee nabatakwa Ya dịka Onyendú ha na Onyenwe ha (Zekaraia 12:10; 14:16-21). Chineke pụrụ ịhụ ọdị n'iru wee site kwa na nka mata na site n'ogologo ntachịobi Ya na agaazọpụta ndị fọdụrụ. Chineke agwawo anyị na Ya na ndị ahụ agaazọpụta gaagba Ọgbụgbandụ ebighịebi na ha agaghị ewezuga kwa onweha n'ebe Ọ nọ rue ebighịebi. Aga akpọghachị ha n'ala nke aka-ha -- Ala Mkwà ahụ -- ma n'ebe ahụ ha gaanara Jisọs dịka Mesaia ha wee ghọọ ndị nke Chineke, Ọ gaabụ kwara ha Chineke.

**"Le M'gaje ichikọputa ha n'ala nile, ebe M'chugaworo ha n'iwem, na n'óké iwe di uku; M'gēme kwa ka ha lata n'ebe a, me kwa ka ha biri na ntukwasi-obi:**

**"Ha gābu-kwa-ram otù ndi, Mu onwem gābu-kwa-ra ha Chineke:**

**"M'gēnye kwa ha otù obi na otù uzọ, itu egwù Mu onwem ubọchi nile; ka ọ we diri ha, di-kwa-ra umu-ha ndi gānọchi ha nma:**

**"Mu na ha gāgba kwa Ọgbugba-ndu ebigh-ebi, na M'gagh-esi n'iso ha ime ha nma laghachi àzú; ma egwù ka M'gētiye n'obi-ha, ka ha we ghara isi n'ebe M'nọ wezuga onwe-ha.**

**"Obi gātọkwam utọ n'aru ha ime ha nma, M'gēji kwa obim nile, ji kwa nkpuru-obi nile, kua ha n'ala nka n'ezie dika osisi.**

**“N’ihi na otú a ka JEHOVA siri: Dika M’meworo ka ihe ọjọ uku a nile biakute ndi nka, otú a ka Mu onwem nēme ka ezi ihe ahụ nile biakwasi ha, bú nke Mu onwem nēkwu banyere ha” (Jeremaia 32:37-42).**

Ọ bụ maka ndịa -- ndị fọdụrụ n’Israel -- ka Chineke naekwu mgbe Ọ sịrị “M’gētiye iwum nime ha, ọ bu kwa n’obi-ha ka M’gēdekwasi ya dika n’akwukwọ: M’gābu-kwa-ra ha Chineke, ha onwe-ha gābu-kwa-ram otù ndi ….. ha nile gamara Mu onwem, site n’onye dikariri ntà nime ha rue onye dikarisiri uku nime ha, ọ bu ihe si n’ọnu JEHOVA puta n’ihi na M’gāgbaghara ajọ omume-ha. M’gagh echeta kwa nmehie ha ọzọ” (Jeremaia 31:33, 34). Ọ bụ banyere ndịa ka Belam kwuru okwu site na mkpali nke Mmụọ Nsọ sị: “Le otù ndi ka ọ bu, ọ nēbi iche ọ digh-agu onwe-ya n’etiti mba nile a **…. ka ikpe-àzúm di kwa ka nke ya (ikpé-àzú-ya)”** (Ọnu-ọgugu 23:9, 10). Ọ bụ banyere ndịa ka Moses kwuru okwu n’ezie, site n’ibu amụma, ọ sịrị: “Israel we biri na ntukwasi-obi; isi-iyi Jekob nání ya iche, n’ala ọka na manya-vine ọhu: ọzọ elu-igwe-ya nātasi igirigi. **Onye ihe nile nāgara nke-ọma ka i bu, Israel: Ònye di ka gi? bú ndi JEHOVA zọputaworo”** (Deuteronomi 33:28, 29). Ha gaanata kwa otù nzọpụta ahụ nke Abraham na onye ọ bụla nke nwere ezi nchègharị nataworo mgbe ọ bịara n’okwukwe náekwupụta mmehie niile ya náachọ ịdịnsọ nke Chineke.

Mgbe Mesaia ahụ gaabịa n’ebube nke Eze naemeriemeri n’ọgbọ niile, mgbe ahụ ndịa naekweghị ekwe na mbụ, ndị jụrụ Kraist ndị Israel ahụ nke naadịghị asọpụrụ Chineke, ndị gabigaworo N’óké Mkpagbu ahụ gaelekwasị Ya anya bụ́ Onye ha mapùworo wee chigharịkute kwa Ya ná nwuta. Ọ gaazọpụta ha! Ọ gaagbapụta ha! Ọ gaenye kwa ha uju ngọzi niile nke Mkwà nke Ọgbụgbandụ ahụ! Ha gaabụkwara Ya otù ndị Ọ gaabụkwara ha Chineke. Ọ bụ ezie na ha lụrụọlụ ọtụtụ narị arọ niile garaaga n’ihi ndaghachịàzụ́, nnupuisi na ịlụso Chineke ọ̀gụ̀, ha gaabịaghachị n’ezi ọnọdụ ha. Mgbe ahụ agaede Iwu ahụ n’obi ha, nke bụ́rị ezi ohere nke Onye Kraist ọ bụla jiworo ọñụ nara site na mba niile dịka àtụ̀màtụ̀ nke Mkpuchị Mmehie ahụ agọziri agọzi si dị, ma anapụrụ nka n’ebe igwe ndị Israel nọ n’ihi ekweghị ekwe ha na ọjụjụ ahụ nke ha jụrụ Otù Onye ahụ nke naeweta mgbaghara na ịdịnsọ ahụ. Mgbe ahụ ka ha gaabata nime ngọzi niile ahụ nke ekweworo ná mkwà bụ́ nke enyewokwara n’efu n’ebe mmadụ niile nọ nke gaabịakute ezi Onyeamụma ahụ. Onyeisi nchụàjà, na Eze ndị eze niile. Mgbe ahụ ka ha gaabụ ezi ụmụ nke Abraham, ọbụná dịka anyị onweanyị ndị sitere n’Ọbara nke Ọgbụgbandụ Ebighịebi ahụ wee bụrụ ndị anyakudoro n’Ezi osisi Vine ahụ, bụ́ ndị nwapụtawokwara mgbapụta nke mmehie niile anyị; Odudonsọ, na ike nke nsacha dị n’Ọbara ahụ, na mmejupụta nke Onye nkasịobi ahụ agọziriagọzi.

**“Ọ̀ bú kwa ndi obibi-úgwù ka anākpọ ndi ngọzi a diri, ma-ọbu kwa ndi ebigh-úgwù? N’ihi na ayi nāsi, Aguru okwukwe Abraham nye ya dika ezi-omume.**

**“Èsi kwa aña gu ya? àguru ya nye ya mgbe ọ nọ n’obibi-úgwù, ma-ọbu mgbe ọ nọ n’ebigh-úgwù? Ọ bugh n’obibi-úgwù, kama ọ bu n’ebigh-úgwù:**

**“Ọ we nara ihe-iriba-àmà nke bu obibi-úgwù, bú akara nke ezi-omume nke okwukwe ahu nke di n’ebigh-úgwù-ya: ka ọ we buru nna nke ndi nile kwere, ọ bu ezie na ha nọ n’ebigh-úgwù, ka ewe gua ezi omume nye ha;**

**“Ka o we buru kwa nna nke obibi-úgwù n’ebe ndi ahu nọ, bú ndi nābugh nání ndi sitere n’obibi-úgwù, kama ha nēsozi kwa ijé-ukwu nke okwukwe ahu nke nna-ayi Abraham, nke o nwere n’ebigh-úgwù.**

**“N’ihi na esitegh n’iwu kwere Abraham ma-ọbu nkpuru-ya nkwà, na ọ gābu onye-nketa nke uwa, kama o sitere n’ezi-omume nke okwukwe.**

**“N’ihi na si na ndi ahu ndi sitere n’iwu bu ndi-nketa, emewo okwukwe ka ọ buru ihe-efu, me kwa nkwà ahu ka ọ ghara idi irè:**

**“N’ihi na iwu ahu nāluta iwe; ma ebe iwu nādigh, njehie adigh kwa.**

**“N’ihi nka o sitere n’okwukwe, ka ọ we di ka amara si di; ka nkwà ahu we guzosie ike n’ebe nkpuru ahu nile nọ; ọ bugh nání ndi sitere n’iwu ahu, kama ọ bu kwa ndi sitere n’okwukwe Abraham, onye bu nna nke ayi nile” (Ndi Rom 4:9-16).**

O, ụbọchị ọñụ! Ihe niile ekerèèkè naasụ údè náechere chiọbụbọ gị! Lee óké ihe ebube nke gaeme mgbe Ndị Ju gaakpọku Mesaia ha, O wee nabata ha! Chineke naemeso Ndị Ju mmeso n’ụbọchị taa. Ọ chụpụbeghị ndị Ya nke O buru ụzọ mara (Ndi Rom 11:2). Mba Israel niile enweghị, ha agaghị kwa, anata ihe ahụ nke ha naachọ; kama “ndi ahu arọputara” -- ndị fọdụrụ afọdụ -- gaanata ya (Ndi Rom 11:7). Site n’ọdịda ha, nzọpụta bịaara ndị Mbaọzọ. Ndị Mba ahụ anatawo iruọma pụrụ iche n’ebe Chineke nọ n’ihi na Ndị Israel ndị Ọ rọpụtaworo esoghị

Ya dịka Ọ chọrọ (Ndi Rom 11:11). Site n'ịkpasu ekworo, Chineke naanwa idurute ha nye Onweya. "Ma ọ buru na ndahie ha bu àkù nke uwa, ọ buru kwa na ila-ala há bu àkù nke ndi mba-ọzọ; òzùzù há gèsi aña ghara ibu kari àkù-ha nke-uku?" (Ndi Rom 11:12).

Anyị onweanyị bụ́ Ndị Mbaọzọ ndị meworo Eze nke Alaeze ahụ eze n'obi anyị, ka emeworo ka ha bụrụ ndị ketara òkè n'ohere nke àtụ̀màtụ̀ ahụ dị ukwuu. Chineke naemeso anyị n'ụzọ pụrụ iche, ka O wee nwee ike imeso Ndị Israel, O nyewo anyị òzùzù òkè nke ngọzi Ya, ihe ahụ ndị amụma nke mgbe ochie jiri ịtụn'anya na olileanya chọọ, ma ọbụná ihe nke naagụ ndị mmụọozi inyocha ha (Matiu 13:17; I Pita 1:9-12). Anyị anatawo ihe ahụ nke Chineke chọrọrị ka ndị Ya arọpụtara nata ka ha wee nwee ike ịbụ ndịozi kwesịrị ekwesị n'elu ụwa niile.

Ma Chineke ka nọ kwa naemeso ndị Israel, dịka anyị naahụ. Ọ bụ ihe siri anyị ike ugbu a ịmata otú ụbọchị ọñụ ahụ gaadị nye ihe niile ekèrèèkè mgbe Ọ gaelekwasị ha anya ọzọ wee sị na ha bụ ezi ndị nke Ya. Ọ bụ ihe banyere ụbọchị ahụ ka anyị naejisi ike, naebi ndụ n'ihi ya, nke anyị naenwe kwa olileanya n'ihi ya. N'ụbọchị ahụ ọbụbụọnụ niile gaebi, ihe niile ekèrèèkè gaabụ̀ abụ̀ ọñụ nke Onye ahụ pụrụ ime ihe niile Onye ịhụn'anya Ya dị ebighịebi bụ́ Chineke nke ebere.

> **"N'ihi na asi na nchupu-ha bu ime ka uwa na Chineke di n'otù gini ka nkpọbata-ha gābu, ma-ọbugh ndi sitere na ndi nwuru-anwu?" (Ndi Rom 11:15).**